Ezigbo Eucharia,

Esiri m Nigeria biarute obodo Canada n'uzo ututu ubochi onwa abuo n'afo 2013 gbara iri abuo na otu, oge nnukwu oyi n'atu. Ihe a bu oge izizi m na aga mba ofesi ilu olu dika onye sisita. Ihe nyerem ntasi obi n'oyi a bu oge m huru ndi otu anyi abuo biara izute m n'ebe ugbo elu n'ada. Ka mkpuru ubochi olemole gasiri, a garam nyere onye otu anyi n'alu olu n'ulo akwukwo aka na-anaghi ego obula. Ihe nyerem anuri ebe a bu etu umuaka si egwurita egwu n'etiti onwe ha nakwa etu ha si emekwuazi ihe nkiri di iche iche. Anoteghi m aka ebea tupu nnukwu onye ukochukwu akwogam ebe m biara olu mgbasa ozioma.

Echetara m ihe akwukwo Nso kwuru si, egwu jidere umuazu Jesu oge ha huru ka O n'aga ije n'elu mmiri, nkea mere ozigbo onye nnukwu Ukochukwu Amarachi Albert Legatt gwaram si n'anyi ga agba ugbo ala n'elu mmiri tupu rute Poplar River ya si, kedu ka O ga esi kwe omume? O gwaram si na mmiri obula n'akpukosi n'oge nnukwu oyi a dika okwute. Ndi mmadu ji ukwu na ndi ugbo ala niile agafe n'elu mmiri dika obu n'elu ala. Nkea bu ihe itunanya na aka olu Chineke. Anoteghi m aka, agwara m nnukwu ukochukwu si kam gaghari tu ije n'elu mmiri. O dikwa egwu bu ihe Chukwu n'eme. O were anyi elekere asato yi rute ebea.

Ekele diri Chukwu maka ihe omumu niile ndi isi ochichi zigara m na ogbako inabata etu ndi mba ozo si ebi ndu, eme omume na mmemme ha. Onyinye ige nti m nke oma n'etiti ndi be anyi dika m si akpo ha. Achoputara m n'otutu n'ime ha n'acho onye ha ga akosara mkpa na nsogbu ha. Ihe ha choro bu onye ga ege ha nti karia onye ga enye ha ndumodu

Okwu Chukwu kasi nnukwu mkpa ebe a bu nke nnonyere karia itunyere ala. Achoputara m n'iga nleta, ezi na ulo obula, n'etu ha umu chukwu, nakwa ekpere na ekpere ma n'oge oyi ma n'oge ekpomoku, na egosi mmasi n'olu Chineke. O na enyekwa ha afo ojuju yana ikwalitekwa muo ha. Obi anuri na inye ekele ha n'egosiputa nkea. Inwe mmasi n'olu Chukwu, "n'agbanyeghi ihe mgbu niile" bu okwu m jiri hiri isi na enwekwa nkasi obi. Ihe ozokwa n'enyerem aka bu etu m siri were ha dika umunnem, imata aha ha n'otu n'otu. Oge obula kporo ha aha ha, udi ochi na mgbasa ihu ha n'egosi obi uto ha. Nke ozo bukwa ikpere ha ekpere n'ulo ha, n'ulo uka yanakwa ikpere ekpere n'oge m n'ekpere onwe m ekpere.

Ihe ndị a mere ka ha nwee ntụkwasị obi ebe m nọ. Ha wekwara m dịka otu onye n'ime ha. Nke a apụghị ime ma ọbụlụ (ọbụrụ) na m ewereghị ha dịka ndị nkem. Abụghịkwa onye ọbịa ọzọ n'etiti ha.

Ihe ọzọ mekwara ka ọlụ m gaa n'ihu bụ mmasị ụfọdụ n'ime ha nwere n'imata Chukwu nke ọma, ikwụsị ime njọ nakwa ịgbara onwunwa ọsọ. Ekele diri Chineke!. Ụfọdụ n'esi na be ha dị iche iche akpọm n'ekwe ntị ebe ọbụla m nọ ma mana echetekwara m ihe Jesus kwuru si, "gaanụ na mba niile gbasaa ozioma, afụkwụazi Chukwu Mụọ Nsọ onye ndụ m na anya karịa." Omume dị otua n'eme ka m kwudosie ike mana Inụ ọkụ n'obi dị otua n'akpalite mụọ m kụtara m mkpụrụobi."

Mmasị na enyemaka ụfọdụ ụmụnne m a n'enye n'ụlọ ụka na enye m afọ ojuju na obi isi ike nke ukwuu. Amụtara m nnukwu ihe site na aka ụmụaka dị iche iche m n'akuziri nkuzi nke okwukwe, nakwa ịkpa ezigbo agwa ma omume. Agaghị emechi edemede a ma ọbụrụ na m ekwupụtaghị enyemaka, nkwado na okwu nkasị obi nnatara n'aka ndị enyịm nakwa ndị ọzọ mụ na ha kparịtara ụka. Ụfọdụ n'akpọ ọlụ Chukwu, ọlụ ndị ụgwụ awụsa. Ihe bụ isi ọganihu ọlụ a bụ ekpere makana Jesu bidoro ma mechikwaa ọlụ ya niile na ekpere.

Na mmechi, enwere m obi ụtọ na afọ ojuju n'ọlụ Chineke nke a m nalụ site na enyemaka nke Chukwu Mụọ Nsọ, na etiti ụmụ Chukwu ibe m.

Ofitọ diri Chukwu.

A bụm Okenye gị.